***<u>Year C #777</u>***

***Availability to Him***

***Ị Dịịrị N'njikere Nye Ya***

***031205-2***

*Daalụ Ezi enyim! Nke a bụ Dọrọti-*

Ị matara na ihe edeworo n'Akwụkwọ Nsọ na-ekwu ihe banyere onwe ya? Ihe edeworo n'Akwụkwọ Nsọ nwere mpụtara e ji akpọrọ ihe nye onye ọbụla nime anyị. **Timoti nke abuọ isi atọ ahiri nke iri na isii Ihe ọbụla edeworo n'akwụkwọ nsọ bụ ihe si n'obi Chineke pụta, ọ bakwara urù iji zí ihe, na iji tụ mmadụ mmehie ha n'anya, na iji mee ka uche mmadụ guzozie, na iji zùpụta nzùpụta nke dị n'ezi omume. Ka onye nke Chineke** . . . – nwa Chineke - . . . **wee zue okè** . . . – ọ bụghị izu okè n'ụzọ anyị si e tinye okwu a n'ọlụ, kama ọ bụ izu ezu - . . . **onye emeworo ka o zue okè ịlụ ezi ọlụ niile ọbụla.**

Okwu Chineke bụ Okwu ahụ na-adị ndụ nke Chineke meworo ka ọ dịịrị anyị site n'aka Jisọs Kraist site na Mmụọ Ya. Dịka anyị na-anabata Okwu Chineke, Okwu ahụ na-adị nnọ iche n'ebe akwụkwọ ọzọ ọbụla dị. Ọ na-adị ndụ; ọ na-agwa obi anyị okwu, mana mgbe ị hụtara onwe gị nime nsogbu nakwa nime mmehie, i lee Akwụkwọ ahụ anya mgbe ụfọdụ, ọ na-adị ezi arọ; ọ dịghị agwa gị okwu ọbụla. Nke ahụ bụ mgbe Mmụọ nke Onyenweanyị na-asị, "Anọ m ebe a. Bịakwute m. Tọgbọ nke a n'ụkwụ m abụa, nihi na n'elu Obe ka m bururi mmehie niile". Rọpụta ogbugbo nye nsogbu a ka i wee mara mmeju ọhụrụ nke Mmụọ Ya ka i wee laghachi ma nwee ọṅụ

ịlaghachikwute kwa Okwu Chineke, ka e wee mee ka O jua eju n’ozuzu oke nime gị. A tụkwasịla n’elu gị onwe gị ihe ahụ bụ nsogbu gị dị ukwu ugbua kpọmkwem. Nyefee ya Onyenweanyị ma mara ọṅụ ahụ dị ọhụrụ, mmeju ahụ dị ọhụrụ. Lee ka nke a si dị mkpa n’oge awa ndi a ịghọta na nke a bụ atụmatụ Onyenweanyị nye mụ na gị.

Onyenweanyị Jisọs Kraist enweghị mgbe ọ dị ala karịa Chineke. Dịka Chineke, uche ya bụ ọkaakaa. Mana mgbe O yikwasịrị onwe Ya anụ-arụ dịka mmadụ, Ọ sịrị, **Abịara M . . . ọ bụghị ka M'na-eme ihe Mụ onwe m na-achọ, kama ka M'na-eme ihe Onye zitere m na-achọ.** Dịka Chineke, O nwereri ike ime ihe ọbụla n’oge ọbụla, mana n’ọnọdụ ọdịdị anụ-arụ dịka mmadụ, Ọ sịrị, **Mụ onwe m apụghị ime ihe ọbụla n'Onwe m . . .** N’ime ihe dịka Chineke, Ọ pụrụ ime ihe ọbụla, mana n’ime ihe dịka mmadụ n’ọdịdị anụ-arụ dịka mmadụ, Ọ bụrị onye dabere na Nna Ya, ma gosi mmadụ etu mmadụ kwesiri ibi ndụ. Ọ bụ ya mere O jiri sị, **Dịka Nna m ziteworo m** . . . nime ụwa ịdabere na Ya . . . **otú a ka Mụ onwe m na-eziga kwa unu -** ịdabere na Mụ onwe M. Nke a dị na **Jọn isi iri abụọ , ahiri nke iri abụọ na otu.**

Ị ghọtara na nke a bụ ụkpụrụ nke Okwu Chineke, Onye ahụ bụ Onyenweanyị Jisọs Kraist mara mma, nke na-adịkwa ndụ Ya onwe Ya, onye na-ewere Okwu e dere ede ma mee ka ọ dị ndụ? Ọzọkwa, site na Mmụọ Ya, Ọ na-akwado ihe Ọ na-ekwu ma na-emekwa nime obi anyị. Ị ghọtara ụkpụrụ nke Onyenweanyị gosiri na Ọ dịghị ala maọlị karịa Chineke, mana kedụ ihe O mere? Ọ tọgbọrọ ebube Ya n’akụkụ, mana nke ahụ apụtaghị na Ọ tọgbọrọ n’akụkụ ịbụ Chineke.

Mba! Ọ tọgbọrọ ebube Ya n'akụkụ mgbe Ọ bịara. Ọ dịghị mkpa na ndi mmadụ ghọtara Ya dịka, "Oo, lee Chineke ebe a na-arịda n'ụzọ". Mba! Ọ tọgbọrọ ebube Ya n'akụkụ ma ghọọ mmadụ na-enweghị mmehie, nke na-enweghị kwa ntụpọ ma mesoo ọnọdụ niile site n'ịdabere na Nna Ya. Lee ka o si dị mkpa ịghọta na nke a bụ ụkpụrụ nke etu anyị kwesiri ibi ndụ nke Onye nke Kraist. Nke a bụ ụkpụrụ nke etu I kwesiri imeso ihe na-ewere ọnọdụ na gburugburu gị ugbua kpọmkwem. Ị bụ onye eleghị anya ihe niile na-aga n'iru na-akarị gị kpamkpam ijikwata. I na-eche na ihe apụghị ịdịwanye njọ karịa! Ị gbalịwo ịlụrụ Chineke ọlụ; ị gbalịwo ime nke a; ị gbalịwo ime nke ahụ; ezi-na-ụlọ gị nọ nime nsogbu; alụmalụ gị adịghị ezi mma; ihe niile nọ n'ọgbaghara! Ma kedụ nke karịrị ya, ọ dịghị onye yiri ka ọ na-egosi gị obi ekele n'ihe niile nke ị na-emere Ya! Ka m kọwaa ya. Nke ahụ enweghị ihe jikọrọ ya na ịbụ onye nke Kraist. Ịbụ onye nke Kraist bụ ịbụ ngwa-ọlụ ka e wee bie ndụ Kraist site na mụ onwe m, dịka m na-eme onwe m ka m dịịrị n'njikere Onyenwe m, ka O wee nara otuto ma lụa kwa ọlụ ahụ n'ụzọ nke Ya nke Ọ tụworo atụmatụ ya site na ndụ m. "Oo mana", ị na-asị, "nke ahụ agajeghị ịlụpụta ihe n'ụzọ m chọrọ!" Ọ dịmma, nke ahụ o nwere ihe omere? Ọ bụghị okwu banyere mụ na gị ịnọ nime Kraist; ọ bụ okwu banyere ihe Kraist kwadoworo ime site na anyị. Mgbe ụfọdụ, ihe yiri ka ọ bụ ọnọdụ sikarịsịrị ike na-abụ ngọzi dịkarịsịrị ukwu! Anyị na-eleghachi anya azụ ma hụta ọnọdụ ahụ wee sị, *I meela, Onyenweanyị, maka imechi ọnụ-ụzọ ahụ. I meela, Onyenweanyị, maka imeghe ọnụ-ụzọ ahụ. I meela, Onyenweanyị, nihi na site n'ọnọdụ ahụ dịkarịsịrị nta*

*maọbụ nke sikarịsịrị ike , oo, ịlụpụtara onwe Gị mkpụrụ dị oke ukwu!* Na nchịkọta, ugbua kpọmkwem, anyị chọrọ inye Onyenweanyị otuto dịka anyị na-abịa na ngwụcha afọ nke a, dịka anyị na-akwado onwe anyị ịhụ ihe afọ nke a bụ maka ya ma ihe nke ga-eguzo bụ ihe O nwere ike ime site na anyị. Ị na-asị, "Ọ bụwori afọ furu ọhịa. Amaghị m, site n'ihe-omume ahụ niile, ihe werewo ọnọdụ". Mgbe ahụ ka anyị hụta na ọ bụ usoro ọmụmụ ihe dị ukwu nye anyị, ka anyị wee sị, *Onyenweanyị, ana m atọgbọ ya n'ụkwụ Gị abụa, nihi na amaara m na ọ bụ naanị ihe Gị onwe gị meworo ka agaje ịgụnye. Mana ana m eweta nsogbu ndi a n'otu n'otu, ihe niile nke m na-eche n'iru ma na-asị, Onyenweanyị Jisọs, achọrọ m ka ọ bụrụ na adị m njikere ịsị, Ọ bụzighị mụ onwe m, kama ọ bụ naanị Gị onwe gị. Achọrọ m ịsị ugbua kpọmkwem, Onyenweanyị Jisọs, achọrọ m ịdịrịị Gị, dịka Gị onwe gị n'ụwa ebe a dịrịrịị Nna Gị. Achọrọ m n'ihe niile, rue n'akụkụ dịkarịsịrị nta, ịsị apụghị m imeli ya; kama Gị onwe gị pụrụ ime ya, Onyenweanyị. I meela maka ihe Ị gaje ime. Ana m enye Gị nsọpụrụ ahụ niile; ana m enye Gị otuto ahụ niile; ana m ewetara Gị otuto ahụ niile. Ma abụ m ngwa-ọlụ nye Gị inweta otuto site na mụ.*
*N'aha Jjisọs. Amen.*